**TTB IGBO**

**ỤGBỌ NKE NDỤ (UNN) – 0101**

*Jisọs tụrụ ilu nke ememe ọlụlụ nwunye nke Ọkpara Onye Eze ahụ, Jizọs zaghachiri wee mechie ndi otu Herọd, Ndi Sadusii  na Ndi Farisii ọnụ*

Matiu 21 mechiri akụkọ ya na nkpebi nke ndi ndu nke ofufe na Jizos ga-anwụ. "Ha gbalịrị ịnwụchi Ya"(Matiu21"46), Ma egwu tụrụ ha nihi igwe madu ndi nọ Ya gburugburu. Matiu 22 gara n'iru igosi esem-okwu n'etiti Onye-nwe-anyị na ndi ndu ofufe ahụ. O bu ụzọ tụara ha ilu nke Onye Eze ahụ mere mmemme ọlụlụ di na nwunye. Malite n'isi okwu gara aga Jizọs zaghachirị ndi isi ndi nchụ-aja na ndi okenye.

**ILU NKE EMEME ỌLỤLỤ DI NA NWUNYE**

Nke a bụ atụm ilu ọka ibe nke Jizọs tụrụ banyere ọgbọ mụ na gị bi n'ime ya. Rịba mkpụrụ okwu a bụ *ọzọkw*a dị na Matiu 22:1 ama. Obere mkpụrụ okwu a na-egosi na Jizọs ka na-aga n'iru igwa ndi nchụ-aja na ndi okenye ahụ okwu ahụ anyị kọrọ na Matiu 21:23.

Matiu 22:1-14:

*"1 Jisus we za, gwa ha okwu ọzọ n'ilu, si, 2 Eji ala-eze Chineke tuyere otù nwoke bú eze, nke siri oriri ọlulu-nwunye nye nwa-ya nwoke, 3 zipu kwa ndi-orù-ya ikpọ ndi akpọrọri ibia n'oriri ọlulu-nwunye ahu: ma ha achọghi ibia. 4 Ọzọ, o zipuru ndi-orù ọzọ, si, Gwa ndi akpọrọri, si, Le, edozisiwom oririm: eḅusiwo oke-ehim nile na anum nile azùru azù, edozisiwo ihe nile: bianu n'oriri ọlulu-nwunye nkem. 5 Ma ha lefuru ya anya, je ebe nke ha, otù onye n'ubi nke aka ya, nke-ọzọ n'ihe-ahia-ya: 6 ma ndi fọduru jidere ndi-orù-ya, me ha ihe-ihere, ḅu kwa ha. 7 Ma eze ahu were iwe; o we ziga usu-ndi-agha-ya nile, la ndi-oḅu-madu ahu n'iyì, rechapu kwa obodo-ha ọku. 8 Mḅe ahu ọ si ndi-orù-ya, Edozisiwo ọlulu-nwunye nkem, ma ndi akpọrọri ekwesighi. 9 Ya mere, ganu n'aḅata uzọ nile, ka ha ra kwa, bú ndi unu gāhu, kpọ ha bia n'oriri ọlulu-nwunye nkem. 10 Ndi-orù ahu we pua ga n'uzọ nile, me ka madu nile ha huru zukọ, ka ha ra, ma ajọ madu ma ezi madu: ulo anālu nwunye we juputa na ndi nọduru na nri. 11 Ma mḅe eze ahu batara ikiri ndi*

*nọduru na nri, ọ hu n'ebe ahu otù nwoke nke nēyighi uwe ọlulu-nwunye: 12 o we si ya, Eyìm, ì si aṅa bata n'ebe a nēyighi uwe ọlulu-nwunye? Ma o kpuchiri ọnu.*
*13 Mḅe ahu eze ahu siri ndi nējere ya ozi, Kenu ya ukwu na aka, tupu ya n'ọchichiri nke èzí; n'ebe ahu ka ikwa-ákwá na ita-ikekere-ezé ahu gādi. 14 N'ihi na ndi akpọworo di ọtutu, ma ndi arọputaworo di ole-na -ole."*

Ka M chaa echiche ka mkpa n'ilu a ọkụ otu apụrụ ịhụ ya nke ọma.

Ọ bụ "Otu Nwoke bụ Eze"Nke ahụ bụ Chineke Nna n'Onwe Ya, "Nwa Ya Nwoke" bụkwa Onye-nwe-anyị Jizọs Kraịst. Ị hụwo na Ọ laghachirị azụ na ịsị, "Ala-eze-Eligwe" kama ịsị, "Ala-eze Chineke"bụ nke O ji kwue okwu na ilu Ya abụọ ndi gara aga? Ilu a bụ otu ya na nke ahụ dị na Matiu 13. Ma ihe Ọ na-egosi n'ebe a bụ ihe kpatara, na otu ọgbọ a ji malite, ọ bụghị otu ọ ga-esi bịa na ngwụcha ya, bụkwa ihe anyị hụrụ na Matiu13.

O "*zipu kwa ndi-orù-ya ikpọ ndi akpọrọri ibia n'oriri ọlulu-nwunye ahu: ma ha achọghi ibia"* Ụdị madụ ndi dị aṅaa ka akpọrọ oku? Ha bụ atụrụ furu efu nke Ezinulo Izrael—I chetara na Onye-nwe-anyị zipụrụ ndi ozi Ya ahụ n'etiti ha? Ndi amụma bụrị ndi ozi nke oge Agba-Ochie gara aga. ịnị bụ uwe mwuda nke ọlụlụ di na nwunye ahụ? Ọkpụkpọ oku Eze ahụ kpọrọ dịịrị madụ nile, ma ihe ize ndụ dị bụ eyighị uwe mwuda pụrụ iche ahụ bụ ihe Eze na-atụ anya ịhụ n'arụ onye ọbụla bịara oriri ahu. Uwe mwuda pụrụ iche ahụ nọchiri anya Ezi-omume nke Kraịst bụ ejewa aghaghị nke Nzọpụta. Ọ bụkwa ihe onye ọbụla kwere ekwe na-anata. Pọl onye ozi kwuru ihe gbasaara Ezi-omume a ana-eme ndebanye*:" 21 Ma uḅu a emewo ka ezi omume Chineke puta ìhè nke nēguzo iche n'ebe iwu di, nke iwu ahu na ndi-amuma nāḅara ya àmà; 22 ma ọ bu ezi omume Chineke, site n'okwukwe ekwere na Jisus Kraist, nke diri ndi nile kwere: n'ihi na ọ dighi ihe di iche;"[Rom 3:21-22].* Madụ nile bịara aghaghị iyi uwe ọlụlụ di na nwunye ahụ.

Rịba ama na madụ enweghị ike ikwu okwu ma o yighị uwe ọlụlụ di na nwunye ahụ! Anụwo m ebe ụfọdụ ndi na-ekwu na ha achọghị Jizọs Kraịst, na ha ga-anwa ike ha n'iru Chineke, na ha ga-agọrọ ọnụ ha n'ikpe ahụ. Ọ dị nma. Onye-nwe-anyị sị na onye ahụ na-eyighị ya enweghị '*ọnụ-okwu'*.Ọ dịrị gị ịhọrọ ịnara ma ọ bụ ịjụ uwe mmemme ọlụlụ di na nwunye ahụ, ma mara na Jizọs zụtaara gị ya n'efu. Ana-akpọ madụ nile ma Ị ghaghị imezu ihe Onye Eze chọrọ iji bụrụ ọbịa Ya.

Ndi iro Kraịst ahụ ga-agba mbọ ikpe azụ ha n'ebe a ugbu a, bụ agha-uche ikpe azụ ha nwere ibu megide Jizọs. Ndi otu Herọd ga-ebu ụzọ bịa, ndị Sadusii eso ha ebe ndi farịsii ga-ekpo azụ. Mgbe ahụ Onye-nwe-anyị ga-agba ndi Farịsii ajụjụ--bụ nke ga-eme ka ha chọ iji ọsọ si n'iru Ya mee ngwa pụa. Nke ahụ ga-abụ ọgụ ikpe azụ ha, ebe anyị gaje ịhụ ka Ọ na-abara ha mba na-akọjọ ha na Matiu 23.

Ndi otu Herọd ga-eji akụkọ banyeere ịkwụ ụtụ-isi nye Siza bịakwute Ya. Ndi Sadusii bụ ajụjụ maka mbilite n'ọnwụ ka ha ji bịa, ebe ndi Farịsii bụ ajụjụ banyeere nke ka mkpa n'iwu nke Chineke ahụ Mosis natara. Anyị ga-ahụ ụzọ dị ịtụn'anya Onyenweanyị si zaa ndi ahụ nile ajụjụ ha. Ka M kwue ya na otu ihe gosirị na Ọ bụ Chineke bụ ụzọ Ọ na-esi emeso ndi iro Ya.

## *JIZỌS ZAGHACHỊRỊ NDI OTU HERỌD*

Ndi otu Herọd ji ajụjụ dabara adaba n'ihe ha kwere na ya chọta Ya. Ha bụ ndi otu nke ọlụ ọchịchị obodo na-agọtaara Herọd, na-atụkwa anya na ndi na-agbaso otu ahụ ga-enyere ha aka pụọ n'agbụ nke ndị Rom. Echeghị m na-aga agụ ndi a ka ndi otu ofufe kama ha bụ ndi okwu ọchịchị na-anụ ọkụ n'obi. Ma otu ọ dị, ọ pụrụ ịbụ na ndi Farịsii ji ha mere mkpan'aka n'ebe a, apụkwara ịsị na ọtụtụ ndi Farịsii so bụrụ ndi otu ndi-Herọd.

Rịba ama na ọ bụ ndi Farịsii kpalirị njasu mbụ a ajasuru Onye-nwe-anyị Jizọs—

Matiu 22:15-22

*"15 Mḅe ahu ndi-Farisi gara, we ḅa ìzù otú ha gēme ka Ọ ma n'ọnyà n'okwu. 16 Ha we zigara Ya ndi nēso uzọ-ha, ha na ndi Herod, si, Onye-ozizí, ayi amatawo na I bu onye ezi-okwu, na I nēzí kwa uzọ Chineke n'ezi-okwu, na I dighi-asọ kwa onye ọ bula anya: n'ihi na I dighi-ele madu anya n'iru. 17 Ya mere, gwa ayi, Gini bu uche-Gi? Ò ziri ezi n'iwu itu ùtú nye Sisa, ma -ọbu na ò zighi ezi? 18 Ma Jisus mara ajọ ihe-ha, Ọ si, Gini mere unu nānwam, ndi-iru-abua? 19 Gosinum ego nke ùtú. Ha we wetara Ya otù shilling. 20 Ọ si ha, Ònye nwe onyinyo a na ihe a edekwasiri ya? 21 Ha si Ya, Sisa nwe. Mḅe ahu Ọ si ha, Ya mere, nyeghachinu Sisa ihe nke Sisa, nyeghachi-kwa-nu Chineke ihe nke Chineke. 22 Mḅe ha nuru ya, o we ju ha anya, ha we rapu Ya, je nke ha."*

O were anya na ha achọghị ịnụ ihe Ọ na-eche nihi na ha maara ihe ha onwe ha chọro ime. Nke a bụ ajụjụ aghụghọ. Asị na Ọ sịrị ha,"Mba,ụnụ ekwesighị ịkwụ ụtụ-

isi nye Siza,”ha agaara ebo Ya ebubo ịbụ onye na-agba ọchịchị ndi Rom mgba okpuru, ebe ọ bụ  ndi Rom na-achị Izrael n’oge ahụ. Ọ bụrụ na Ọ sịrị,”Eyenụ, gaanụ n’iru ịkwụ Siza ụtụ isi unu,”Ọ pụghị ịbụ Mezaya ahụ.

Ihe ahụ Ọ zara ha dị ịtụn’anya nihi na ọ karịrị azịza dịịrị ajụjụ ha ahụ--bụkwa nke azịza Ya ahụ zara. Ọ na-agwa ha na o nwere ihe ha ji Siza ụgwọ ya. Ha na-ejị mkpụrụ ego ọla ya,azụ ahịa, na-aga n’okporo ụzọ ndi Rom gbuuru ha; Rom na-emekwa ka ha biri n’ogbe dara jii, ya mere ha ji ụgwọ nihi ihe ndi a. Ọ zara ha sị,” , *nyeghachinu Sisa ihe nke Sisa.”* Ihe ọzọ bụ, Nyeghachi-kwa-nu Chineke ihe nke Chineke.

Nke a gosirị n’owuwe anya na Onye-nwe-anyị adabaghị n’ọnya ha ahụ. Ọ bụ ezie na ha jị Siza ụgwọ, nke ahụ emeghị ka ha gbanarị ihe ha kwesiri imere Chineke.

Oge ndi otu Herọd agafewo, ugbu a ọ bụ ndi Sadusii ga-akụ bọl nke ha, Ha bukwa ọnya igwe ha n’aka we bịa ịmata Ya—

Matiu 22:23-33:

### *JIZỌS ZAGHACHIRI NDI SADUSII*

*”23 N'ubọchi ahu ndi-Sadusi biakutere Ya nāsi na nbilite-n'ọnwu adigh: ha we jua Ya, 24 si, Onye-ozizí, Moses siri, Ọ buru na nwoke anwua, nēnweghi umu, nwa-nne-ya nwoke gālu ọlu kwesiri nwa-nne di n'ebe nwunye-ya nọ, me ka nkpuru toputara nwa-nne-ya. 25 Ma umu-nne-ndikom asa di n'etiti ayi: nke-mbu luru nwunye, we nwua, ma ebe ọ nēnweghi nkpuru ọ rapuru nwunye-ya nye nwa-nne-ya; 26 otú a ka nke-abua me-kwa-ra, nke-atọ kwa, rue nke-asa. 27 Mḅe ha nile nwusiri nwanyi ahu nwu-kwa-ra. 28 Ya mere, na nbilite-n'ọnwu nwùnye onye n'etiti ha asa ka ọ gābu? n'ihi na ha nile nwere ya na nwunye. 29 Ma Jisus zara, si ha, Unu nēhie uzọ, ebe unu amataghi ihe edeworo n'akwukwọ nsọ, ma-ọbu ike Chineke. 30 N'ihi na nime nbilite-n'ọnwu ha alughi nwunye, enyeghi kwa ha n'ọlulu-di, kama ha di ka ndi-mọ-ozi di n'elu-igwe. 31 Ma n'okwu bayere nbilite-n'ọnwu nke ndi nwuru anwu, ùnu agughi okwu Chineke gwara unu, si, 32 Mu onwem bu Chineke nke Abraham, na Chineke nke Aisak, na Chineke nke Jekob? Chineke abughi Chineke nke ndi nwuru anwu, kama Ọ bu nke ndi di ndu. 33 Ma mḅe ìgwè madu nile nuru ya, ibobo ozizí-Ya nwuru ha n'aru.”*

Ndi Sadusii ekweghi na mbilite n'ọnwụ pụrụ ịdị. Akụkọ ha ji tụa ilu ha chọrọ iji jide Ya n'ọnya ha na-atọ ọchị. Ị pụrụ ịtụle otu nwanyị ịbụ nwunye nye ụmụ nne ndi ikom asaa! Ajụjụ ha wee bụrụ:"Nwunye onye n'ime ha ka ọ gaje ịbụ?" Ndi Sadusii na-emehie n'ụzọ ihe abụọ, bụ nke Onye-nwe-anyị chere ha n'iru.

Ndi Sadusii na-eleghaara ihe edere n'Akwụkwọ Nsọ anya, ọzọ ya bụ na ha leghaara mpụta ihe nke ike nke Chineke anya. Ụzọ ihe abụọ ndi a mere ha ji ga tụtụrụ ụdị ihe atụ a na-atọ ọchị bịa. Nkọwa ihe a dị mfe--Ọlụlụ di na nwunye agaghị adị n'eligwe. Anyị ga-adị ka ndi mozi n'ụzọ na anyị agaghị alụkwa di na nwunye n'Eligwe. Nke ahụ pụtara na agaghị aga n'iru n'ịmụ ọmụmụ.

Kedu maka ndi mgbe ochie? Kedukwanụ maka Abraham n'ụbọchị taa? Ọ ka bụkwa otu Abraham ahụ ọ bụ rue taa. Ọgbanwebeghị! Abraham, Ayịzak, na Jekọb bụ nanị nnwogharị site n'ụwa gafee n'ebe ọzọ ka enwogharịrị ha. Ha aka anwụghị, ha ka dị ndụ. Nke a bụkwa ezi okwu n'ihe gbasaara ndi nke gị nile nwụwororị n'ịme Kraịst. Ha nile nọ n'Eligwe na-echere gị. Ezi-Okwu a dị Ọkpụrụkpụ dịkwa ebube!

## *JIZỌS ZAGHACHỊRỊ NDI FARỊSII*

Ugbu a agbọwo ndi otu Herọd na ndi Sadusii taa kwuchie ọnụ. Ndi Farịsii nọ n'otu akụkụ na-enyo Jizọs na ndi otu abụọ ndi ahụ. Ndi Farịsii bụ ndi gwakọtara okpukpere-chi na ịchọ ọchịchị n'otu abụ buru n'isi ha na-aga. Ha chọrọ ka eweghachi Ala-eze Devid wee si otu ahụ chụpụrụ ha ndi Rom. N'ịchọ ka eweghachi ala-eze ahụ ha pụrụ ijikọ aka ha na ndi Herọd, ma ebe ha bụ otu okpukpere-chi, ha anabataghị ndi Sadusii. Apụrụ ịgụrụ di Farịsii ka ndi alaka nke chọch mgbasara-aka ndi ahụ enwere n'oge anyị a 'omume ha. Dịka otu abụọ ahụ bụworo ha ụzọ,ndi Farịsii ndi a bịara ijide Onye-nwe-anyị site n'okwu ọnụ Ya, ya mere onye ọka-iwu ka ha zipụrụ ka o kwuchitere ha ọnụ ha. Ọ tụpụrụ otu ọkpụrụkpụ ajụjụ d ịtụn'anya nye Jizọs.

Matiu 22:34-40

*34 Ma ndi-Farisi, mḅe ha nuru na O mereri ka ndi-Sadusi kpuchie ọnu-ha, ha zukọrọ n'otù ebe. 35 Otù onye n'etiti ha, bú onye-iwu, we jua Ya ajuju, nānwa Ya, 36 si, Onye-ozizí, òle ihe di uku nke enyere n'iwu nime iwu-ayi? 37 Ọ si ya, I gēwere obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, were kwa uche-gi dum, hu Onye-nwe-*

*ayi Chineke-gi n'anya. 38 Nka bu ihe uku na ihe mbu enyere n'iwu. 39 Ihe nke-abua nke yiri ya bu nka, I gāhu onye-aḅata-obi-gi n'anya dika onwe-gi. 40 Iwu dum, na ndi-amuma Chineke, nēkokwasi n'ihe abua ndia enyere n'iwu."*

Ndi Farịsii chọrọ ịwụfe oke olulu sara mbara, mere ha ji gbaa izu zipụrụ ya nwoke a dị akọ nke uku: 'onye-ode-akwụkwọ'bụ onye ọkacha mara n'iwu Mosis. Ọ sị Ya," *, Onye-ozizí, òle ihe di uku nke enyere n'iwu nime iwu-ayi?" Jizọs sịrị ya," , "I gēwere obi-gi dum, were kwa nkpuru-obi-gi dum, were kwa uche-gi dum, hu Onye-nwe-ayi Chineke-gi n'anya. 38 Nka bu ihe uku na ihe mbu enyere n'iwu. 39 Ihe nke-abua nke yiri ya bu nka, I gāhu onye-aḅata-obi-gi n'anya dika onwe-gi. 40 Iwu dum, na ndi-amuma Chineke, nēkokwasi n'ihe abua ndia enyere n'iwu."*

Lezie anya hụkwa na ọ dịghị otu n'ime iwu iri bụ nke Ọ tụpeere nanị ya. Onye-nwe-anyị na-eme ihe nile n'etiti Ya na nwoke a otu ha doro anya. Ọ na-asị ya,"Ị chọrọ ịmata nke kasị n'iwu ahụ nile. Ịhụ Chineke n'anya bụ ya kasị akasị n'iwu nile, nke na-esote ya bụ ịhụ onye agbata obi gị n'anya!" Iwu abụọ ndi a chịkọtara iwu Mosis ahụ nile ọnụ. Azịza ahụ Jizọs nyere zuru nnọ oke nke bụ na asị na ndi Farịsii ahụ bụ ndi ezi-okwu, ha gaararị-asị,"Anyị bụ ndi na-erughị eru. Iwu ahụ apụghị ịzọpụta anyị, Onye nzọpụta dị anyị mkpa."Ma n'oge ahụ onyenweanyị Jizọs abatawo n'okpuru ndo nke Obe Ya ahụ.

### *JIZỌS TỤPỤRỤ OTU AJỤJỤ N'IRU NDI FARỊSII AHỤ*

Mgbe ndi Farịsii ahụ gbakọkwara ọzọ ịchọ ihe ọzọ ha ga-ajụ Ya, Jizọs bu ha ụzọ jiri ajụjụ nke Ya tituo aka ha—

Matiu 22:41-46:

*"41 Ma mḅe ndi-Farisi zukọsiri, Jisus juru ha, 42 si, Gini bu uche-unu bayere Kraist ahu? Nwà onye ka Ọ bu? Ha si Ya, Nwa Devid. 43 Ọ si ha, Dèvid si kwa aṅa kpọ Ya Onye-nwe-ya nime Mọ Nsọ, si, 44 Onye-nwe-ayi siri Onye-nwem, Nọdu ala n'aka-nrim, Rue mḅe M'gētiye ndi-iro-Gi n'okpuru ukwu-Gi abua? 45 Ya mere, ọ buru na Devid akpọ Ya Onye-nwe-ya, Ò si aṅa buru Nwa-ya? 46 Ma ọ dighi onye ọ bula puru iza Ya okwu, ọ dighi kwa onye nwere anya-ike site n'ubọchi ahu iju Ya ajuju ọzọ."*

Onye-nwe-anyị Jizọs hotara Abụọma 110:1. O si aghaa pụ ime na Devid ga-akpọ onye bụ nwa ya ONYE-NWE-YA? Ndi Farịsii ahụ gaararị asị na Nwa ahụ ga-abụrịrị

nke Devid nwetara site n’ọlụ ebube nke Chineke ma ọ bụrụ na Devid gaje ịkpọ Ya Onye-nwe-M.

Rịba ụfọdụ ihe dapụtara site n’ajụjụ a ndi dị ịtụn’anya. Jizọs sị na ọ bụ Devid dere Abụọma 110, na o sitere na nkpali nke Mọ-Nsọ dee ya, Ọzọkwa na ihe o dere bụ ihe banyeere Mezaya ahụ*. “ọ buru na Devid akpọ Ya Onye-nwe-ya, Ò si aṅa buru Nwa-ya?”* Gịnị pụrụ ime ka Devid jiri ọnụ ya kpọ nwa ya Onye-nwe-m ma ọbụrụ na Ọ kaghị ya ukuu? Ọ bụ nanị site ọmụmụ site n’afọ nwa agbọghọ na-amaghị nwoke ka nke ahụ si pụ ime. Jizọs bụ nwa nwoke nke Devid, Ọ karịrị  Devid n’ọkwa na n’ihe nile. Nwa Devid mụtara apụghị ịka ya ma ewezugha ma onwere ihe dị iche ewebatara n’etiti agburu ya pụrụ imepụta Nwa dị ukuu karịa Devid. Ihe ahụ edepụtara na-egosi ọmụmụ nke Jizọs site n’ọlụ ebube zaara anyị ajụjụ ahụ n’ụzọ juru anyị afọ. *“ Mọ-ozi ahu we za, si ya, Mọ Nsọ gābiakwasi gi, ike nke Onye kachasi ihe nile elu gēkpuchi kwa gi: n'ihi nka Ihe di nsọ nke i di ime Ya, agākpọ Ya Ọkpara Chineke.”[Luk 1:35].* Ọ karịrị Devid ukuu nihi na Ọ bụ Onye-nwe nke ihe nile sitere n’Eligwe wee bịa. Jizọs narị anwa ike Ya ịmanye ndi Farịsii ahụ ka ha hụ wee nabatakwa Ya ka Nwa nke Devid, bụkwa Onye-nwe Devid n’onwe ya.

## *OKWU NCHỊKỌTA*

*Ọ bụ n’ebe a ka* ịrụ ụka n’etiti Jizọs na ndi ndu nke ofufe ndi ahụ kwụsịrị. Site mgbe ahụ gawa, ha ajụkwaghị Ya ajụjụ ọzọ. Ha ekpebiworị na Ọ ga-anwụ. Nke ahụ bụ ihe ọzọ ha bidoro tụwa ụkpụrụ imezu, ebe o were ha anya na ha apụghị ịza ajụjụ Ya ahụ. Nke a bụ otu n’ime ihe na-egosi na Ọ bụ Chineke.